# ỌKWA MAKA ỌGBAKỌ IZUGBE NDỊ IGBO NKE MBAỤWA

## Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Igbo , Aka Nkà na Omenala nke

**Mahadum Naịjiria Nsụka**

ya na otu UNESCO n'aha ịchafụ, otu Steeti ndị Igbo n'Amerika (CISA), Ọhaneze Ndịigbo n'ụwa gbaa gburugburu, jikọrọ aka na-ewepụta Ọgbakọ Izugbe mbụ ndị Igbo nke mbaụwa nke afọ 2023 a kpọrọ

UNESCO
United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization

CISA
Council of Igbo States in Americas
One People, One Voice, One Destiny

IWA
IGBO WORLD ASSEMBLY

OHANAEZE

# Maiden Hybrid Igbo International CONFERENCE 2023

n'asụsụ bekee.

## ISIOKWU INYEGHARỊ

# IGBO ỌNỌDỤ KWESỊRỊNỤ NA NAỊJIRỊA

## NA SENCHURI IRI ABỤỌ NA OTU

**Tuuzdee abalị iri na ise ruo na Fraidee abalị iri na asatọ nke ọnwa Ọgọstụ, afọ 2023 | Elekere iri nke ụtụtụ**
**Nnukwu ụlọ ọgbakọ bụ Princess Alexandra Auditorium (PAA), Mahadum Naịjirịa Nsụkka, UNN nakwa n' ikuku.**

N'okpuru nnukwu onyeisioche bụ

**ỌKM. NWACHUKWU ANAKWENZE , MD, MPH, ONOWU ABAGANA**
*(CEO Victorian Care medical Group Inc., Los Angeles, California & Chairman of CISA Board of Presidents, USA)*

ONYEISI EMUME

**OKN C. ARINZECHUKWU IGWE**
*(Onyeisi mahadum Nigeria Nsukka )*

ONYE ỌKPỌ OKU

**OKN. CHRIS UCHENNA AGBEDO**
*( Onyeisi Ngalaba Amumamu Asụsụ, Akanka na Omenela Igbo. CIS, UNN )*

ONYE A NA-EZIGARA OZI

**OKM. GLORIA UGBOR**
*(Onyeisi, out na-ahazi Ọgbakọ Izugbe Mbaụwa )*

# ỌKWA MAKA IWEBATA ỤMỊEDEMEDE

Ọgbakọ a na-eleba anya na mpaghara ebimndụ ndị Igbo, site na ngalaba amụmamụ dị iche iche. Ọ bu akpọmoku nke e ji eleba anya n'arụmarụụka a na-enwe n'ọtụtụ ụzọ ebimndụ ndi Igbo dịka o si gbasata akụkọ nsiripụrụ ndị Igbo, usoro odide asụsụ Igbo, akụkọala, ekpemekpe, echiche na nkwenye ndị Igbo,nka, akaọrụ na ihe gbasara ahụike.

Ọgbakọ a ga-eleba anya na ndụ ndị Igbo dịka agbambọ na nnagide e jiri mara ha n'oge gboo na mgbanwe batara na ya n'oge ugbu a. Ndị a na-atụ anya ga-abia ọgbakọ a, ga-enwe ohere isite na ngalaba amụmamụ dị iche iche leba anya na nkwenye ndị Igbo n'inwe afọ ojuju gbasara ndụ ha ma ndị bi n'ala Igbo ma ndị na mba ndị ọzọ. Ọ ga-eleba anya na etu a ndị Igbo si ahụta onwe ha na etu e si ahụta ndị Igbo ma na-akpachapụ ha. Ya bụ Ọgbakọ izugbe a ga-elebakwa anya n'ihe ndị ọzọ na-abụghị ndị a a kpọrọla aha tinyere nghọtahie dị n'usoro ekpemekpe ọdinala na ekpemekpe ugbu a. Usoro ịnata ọzụzụ, ụjọ ọdịda asụsụ Igbo, na olile anya iji ngwa nka na ụzụ kwalite ya; inwete onyeisiala Naịjirịa ga-esite n'ala Igbo n'afọ 2023; ụjọ a na-atụ ndị Igbo, nleda anya a na-eleda ndị Igbo nakwa ụzọ ndị Igbo ga-esi nweta ọnọdụ ruru ha.

Ndi Ọkammụta n'ihe banyere ederede, ndi nchọcha , out maọbụ ebe ọgbakọ ọmụmụ asụsụ dị iche iche, ndi na-ahụ maka nkwalite asụsụ , na ụmụ akwụkwọ ka a na-akpọ oku a, ka ha depụta echiche ha n'out n'isiokwu ndi a metụtara ndi Igbo nke ga-adị oke mkpa n'isiokwu etiti a nakwa nke ga-anọ ọnọdụ dịka isiokwu a ga-eleba anya n'ọgbakọ izugbe a.

**NDỊNAISIOKWU**

*Echiche, nkwenye, asụsụ na agụmagụ Igbo
*Ihe gbasara nka asụsụ, nka agụmagụ na amụmamụ omenala
*Mpụ dị iche iche n'oge ugbu a n'ala Igbo
*Ilebaghaṛị anya n'ihe gbasara asụsụ na omenala Igbo
*Mgbagwojuanya dị na mkpọlite omenala a na-ahụ n'oge ugbu a
*Nka dị iche iche a na-enweta site n'ọzụzụ (igba bọyị)
*Nkwalite ekike na nri ndịIgbo site na njem nlereanya
*Nnabata na nkwụdosike n'ọnọdụ mgbanwe ihu igwe n'ala Igbo
*Ọnọdụ ndị Igbo na ndọrọndọrọ ọchịchị Naịjirịa n'oge ugbu a
*Usoro ịgụ aha, njirimara na mgbanwe njirimara ndị Igbo
*Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị Igbo ka oge 'koro' gachara
*Akụkọ ifo, egwu ọdịnala na iji asụsụ ara nne eme nkụzi na ọmụmụ
*Mgbanwe dị n'okpukperechi ndị Igbo
*Usoro ọhụrụ e ji ezipụta abụm nwoke na abụm nwaanyị n'ala Igbo
*Ịkwalite asụsụ Igbo izugbe site n'olundị
*Ikikere dịịrị ụmụnwaanyị na ụmụaka n'ala Igbo
*Usoro alụmdi na akwamozu n'ala Igbo
*Mpụ na ntaramahụhụ dịịrị ya n'ala Igbo
*Nkwado ụmụnwaanyị n'ala Igbo
*Egwu ọdịnala na nka ndị Igbo
*Ngosịzi na ngosịjọ obibi ndụ/akparamagwa ndị Igbo na Nollywood
*Iji asụsụ Igbo kwara ngwa ọrụ n'ebe nzisa ozi n'ikuku nke oha na eze dị
*Amụmamụ asụsụ Igbo n'oge a okwu akpọmasị na ozi adịgboloja zuru ebe niile
*Usoro ndị na-adịghị mma na ndọrọndọrọ ọchịchị na ekpemekpe n'ala Igbo
*Usoro ikpe ikpe na idozi esemokwu n'ala Igbo
*Usoro enwemenwe ala n'ala Igbo
*Ntụgharị na nsụnabọ n'Igbo
*Akamgba chere mmekọrịta nwanne na nwanne n'ala Igbo n'oge ugbu a
*Nsogbu iweghari omenala na njirimara, ndị Igbo bi n'ofesi na-enwe
*Ezi ọchịchị na nsogbu dị n'ịchị ọchịchị n'ala Igbo
*Ihe banyere ịlaru ụlọ na ala bụ out n'ala Igbo
*Usoro ime njem nakwa ụzọ adịghị mma n'ala Igbo
*Ekperima a tụbatara atụbata na nke a zụrụ n'ụlọ n'ala Igbo
*Mkpụrụmmiri na nsogbu o wetara n'ebe ọnọdụ ahụike nke ụbụrụ dị n'ala Igbo
*Etu e si ahụta Ezeigbo na mba ofesi nakwa mba ndị ọzọ ndị Igbo bi
*Ụjọ a na-atụ ndị Igbo

Ndị niile ga-achọ isonye na nnukwu ọgbakọ izugbe mbaụwa a ka a na-achọ ka ha webata ụmịedemede akwụkwọ ha ga- agụpụta n'ọgbakọ a n'ụbọchị ahụ ma tinye ya n'akara imelụ ndị a:
Centre.igbostudies@unn.edu.ng
Maọbụ
Conference.igbostudies@unn.edu.ng
Ọ gaghị akarị abalị iri atọ nke ọnwa Juun afọ 2023 mgbe a ga-ewebatacha ụmịedemede ndị a nille.
Maka ndị ga-esonye n'ọgbakọ izugbe mbaụwa a, ego a ga-akwụ bụ Puku Naịra iri na ise (#15,000.00) maka ndị nọ na Naịjịrịa na Dọla iri ise (50$) maka ndị nọ na mba Ofesị.
Maka ndị ga-akwụ ụgwọ n'oge, ha ga-akwụ Puku Naịra iri (#10,000.00) maka ndị nọ na Naịjịrịa na Dọla iri anọ (40$) maka ndị si mba Ofesi. Ịkwụ ụgwọ n'oge ga-amalite ugbu a ma kwụsị n'abalị mbụ nke ọnwa Julaị afọ 2023.
A na-atụ anya na ndị ga- esonye n'ọgbakọ izugbe mbaụwa a ga-akwụnye ụgwọ ọgbakọ ha n'akara ụlọ ọbaego a bụ:
*International Conference and Publication*: 2041889088
First Bank (Nig) plc.

## ONYE GA-EKWU OKWU MAKA ISIOKWU

**Chief Nnia Nwodo**
*(Onye bụbu Onyeisioche, Ọhaneze Ndigbo n'ụwa gbaa gburu gburu)*

## NDỊ GA-ENYE OKWU NDUBATA

**High Chief Dr. Emma Obiesie, LL.M, PH.D**
*(Okn/Diin, Ụlọakwụkwọ Oji ego achọ ego, nke mahadum mbaụwa dị na Okan na Davie Florida, USA/Turkey)*

**Peter A. Akah, FAMeds, FAS**
*(Okn.nke Pharmacology na Toxicology, Mahadum Naịjịrịa Nsụkka nakwa Onye jiburu ọkwa Onyeisi Mahadum Steeti Imo; IMSU, Owerri)*

**Cecilia Eme, PhD**
*(Okn. Nke Lingwistiks, Mahadum Nnamdi Azikiwe, Awka)*

**Prof Dr. J. Tochukwu Omemma**
*(Okn nke Alexander von Humboldt Fellow, Mahadum nke teknọlọji, Berlin Germany)*

## ỤLỌ/EBE OBIBI

Ụlọ obibi ndị ọbịa dị na Nsụkka na ọnụ ego ha bụ ndị a:
1. Golden Valley Hotel: Puku Naịra Iri ruo na Iri Atọ. (#10,000.00 – #30,000.00)
2. Jerry Marriot Hotel: Puku Naịra Iri ruo na Iri Atọ. (#10,000.00 – #30,000.00)
3. See New Hotel: Puku Naịra Isii ruo na Iri na Ise. (#6,000.00 - # 15,000.00)
4. Grace Manor Hotel: Puku Naịra Isii ruo na Iri Abụọ. (#6,000.00 - # 20,000.00)
5. Jucony Hotel $ Resort: Puku Naịra Isii ruo na Iri Abụọ. (#6,000.00 - # 20,000.00)
6. Kennan Lodge: Puku Naịra Iri na Abụọ ruo na Iri Atọ. (#12,000.00 – #30,000.00)
7. Old Carolina Hotel: Puku Naịra Isii ruo na Iri Abụọ. (#6,000.00 - # 20,000.00)
8. New Ikenga Hotel $ Resort: Puku Naịra Iri ruo na Iri Atọ. (#10,000.00 – #30,000.00)
9. CEC Guest House,UNN: Puku Naịra Isii na Ise ruo na Iri Abụọ. (#6,500.00 - #20,000.00)
10. Presidential Lodge, UNN: Puku Naịra Iri ruo na Iri Atọ. (#10,000.00 – #30,000.00)
11. Padelia Hotel: Puku Naịra Iri ruo na Iri Atọ. (#10,000.00 – #30,000.00)

## MAKA AJỤJỤ

Maka ajụjụ ndị ọzọ, kpọọ akara ekwentị ndị a: 08036868498, 08067280506.